# NLEGHARA ANYA NKE IJI ASỤSỤ EPUM MAỌBU NKE OGBE AKỤZI IHE N'ỤLỌAKWUKWỌ ỌTAAKARA NA NKE PRAỊMARỊ: ỊTỌGBU ASỤSỤ NA OMENALA IGBO

Nke si n'aka
**Dkt. (Odz.) Nkechinyere B. Ohaike**
National Institute For Nigerian Languages
Aba, Abia State
07034490789
nkechibohaike@gmail.com

**Ụmịedemede**
*Mkpa asụsụ epum dị n'ụwa bụ aja dị n'ala. Aka mgba cheere ndị mbịarachịwa na ndị mgbasa oziọma mgbe ha bịara mba Afrịka bụ asụlighi na aghọtalighi asụsụ ndị nwe obodo ha bịara. Nke a mere ha ji gbaa mbọ niile ha nwere ike ịmuta asụsụ ndị ha bịara n'obodo ha, nke nyeere ha nnukwu aka ịchịkwa na ịtọghata ndị mmadụ. N'ịgbaso ụkpụrụ ndị mbịarachịwa na sitekwa n'ịhụta mkpa na uru asụsụ ala anyị bara, iwu na-achịkwa asụsụ ala anyị kwuru na a ga-eji asụsụ nne maọbụ nke ogbe kuziwere ndị ọtaakara na ndị praịmarị ihe n'ụlọakwụkwọ.Nchọcha nke Fafunwa nke a kpọrọ 'Ife Six Year Primary Project' gosiri kpọmkwem na nwanta na aka aghọta ihe n'asụsụ ya karịa n'asụsụ mba ọzọ. Ka ọ dị taa, nchọcha anyị mere n'ụfọdụ ụlọakwukwọ ọtaakara na praịmarị ndị dị n'okpuru ọchịchị Umụahịa North nke steeti Abịa gosiri na ma ụlọakwụkwọ gọọmenti ma nke ndị nkịtị nwe, onweghi nke na-agbaso iwu a n'ozuzu oke. Nke a na-ebute ịtọgbu asụsụ na omenala Igbo, arụ na mpụ ijụpụta n'obodo, enweghi ọganihu na enweghi nwanwa tote otokwuru n'ihi enyefeghi asụsụ na omenala Igbo n'aka ụmụ na ụmụumụ anyị ha. Edemede a ga-eleba anya n'ihe kpatara nleghara anya iji asụsụ nne akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị, ọghọm si ya n'ime apụta na usoro a ga-agbaso iji kwalite iji asụsụ nne maọbụ nke ogbe akụzi ihe n'ulọ akwụkwọ ndị a.*

*The importance of language, especially mother tongue need not be over-emphasized. One of the greatest challenges faced by the colonial masters and the missionaries when they came to Africa was language barrier. This led to the extra effort made by the colonial masters and missionaries in learning the language of the host states/communities. This indeed aided them a lot in ruling and converting the people. In line with the emphasis on the importance of mother tongue (MT) or language of the immediate community (LIC) and the overall importance of the mother tongue over foreign languages, the Language Policy of the National Policy on Education stipulates that the child be taught in his/her mother tongue or language of the immediate community in the pre-primary and lower primary schools. The Ife Six Year Primary Project confirms that a child understands better when taught in his/her mother tongue As it stands today, the research we are carrying out in some primary schools in Umuahia North Local Government of Abia State, neither the government schools nor the private owned schools adhere to the above policy. This leads to annihilation of our language and culture, abundant ills in the society, lack of progress and inter-generational transfer of our language and culture. This paper x-rays the reasons for not adhering to the use of MT/LIC in the pre/primary schools, the negative influences on the society and proposes ways of encouraging the use of MT/LIC in the pre/primary schools.*

## 1.0 Mmalite

Obodo ọbụla nwere asụsụ ala ha nke e jiri mara ha. Asụsụ ha a na-apụta ihe n'ihe niile ha na-eme ma dịkwa ezi mkpa. Gọọmenti ala anyi matara ma kweta n'asụsụ bara ezi uru n'obodo ọbụla. Ọ bụ nkea mere gọọmenti etiti ala Naịjiria jiri weputa ebumnauche ya maka ihe niile gbasara agụmakwụkwọ n'ala anyị. Ọ zipụtakwara ọnọdụ asụsụ n'amụmamụ. Na nkea, gọọmenti n'atụmaụtụ ya anabatala asụsụ ala anyị ma nye nke ọbụla ọnọdụ kwesiri ya.

a. Asụsụ a na-asụ n'ala maọbụ mba onye
b. Asụsụ a na-asụ na gburugburu onye
ch. Asụsụ bekee
d. Asụsụ atọ ndị ahụ bụ ọkaibe ha, bụ ndị gọọmenti họpụtarala ka ha bụrụ asụsụ ala Naịjiria niile (Hausa, Igbo na Yoruba).

Gọọmenti etiti n'atụmatụ agụmakwụkwọ na mmụta ya nke 1977 e bipụtaghịrịla ugboro ugboro mara iwu na ọ bụ asụsụ nne/ogbe ka a ga-eji na-akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị nta (prị 1-3). N'ogo a, ọ bụ asụsụ Igbo ka a ga-eji na-akụzi ihe niile e wepụ asụsụ bekee nke a ga na-akụzi dị ka sọbjekti. A ga-abịazi werezie nwayọ nwayọ webata iji bekee akụzi ihe na praịmarị ukwu (pri 3-6). Uru asụsụ bara n'ụwa niile gbaa gburugburu enweghi ngwụcha. Ihe niile hiwere isi n'asụsụ. Ebe ọ bụ na gọọmenti amatala oke uru dị n'asụsụ ala anyị ma nye ntuziaka ịdị na-eji ya akuzi ihe n'ụlọ akwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị nta, gịnị buteziri nleghara anya na ntuzi aka a gọọmenti nyere? Edemede a ga-eleba anya n'ihe kpatara nleghara anya a, ọghọm si n'ime ya apụta, uru mgbaso ya ga-ebutere anyị. Ọ ga-agakwa n'ihu ịchọpụta usoro a ga-agbaso iji kwalite iji asụsụ nne/ogbe akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ndịa, nke ga-enye aka ịkwalite asụsụ na omenala Igbo.

## 2.0 Asụsụ - ihe ọ bụ na uru ọ bara

Asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta. Ọ bụ asụsụ bụ nnukwu ihe pụtara ihe na ndịiche mmadụ na anụmanụ. Anagbogu, Mbah na Eme (2001.1) kọwara asụsụ dị ka ụzọ mmadụ wepụtara iji na-enwe mmekọrịta, echiche, mmetụta, izipụta otu obi dị ha na ebumnauche ha site n'okwu ọnụ maọbụ ederede. Nkọwa ha a na-egosipụta mkpa asụsụ dị na uru ọ bara. Makinde (2006:1) hụkwara asụsụ dị ka ugbọ e ji ebu akọ na uche na obibi ndụ ndị mmadụ. Onye ọbụla dị ndụ nwere asụsụ ọ na-asụ. Obodo ọbụla maọbu mba ọbụla nwere asụsụ e jị mara ha. Ọfọmata (2002:7) kọwara asụsụ dị ka ihe na-eweta mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya, obodo na obodo, mba na mba. Ọ bụ asụsụ mmadụ na-asụ ka o si mata ihe gbara ya gburugburu nakwa ụwa ọ bi n'ime ya.

## 2.1 Uru asụsụ bara

Ọ bụ aghọtaghị uru asụsụ bara kpatara ọtụtụ ji eleghara asụsụ ha anya. Uru asụsụ bara gụnyere.

e ji asụsụ enwe mmekọrịta
asụsụ bụ njirimara
ọ na-ezipụta uche mmadụ
e ji ya akụzi ihe
a na-esi na ya enweta mmụta
e ji ya agwa ọhaneze okwu
e ji ya ebipụta akwụkwọ
ọ na-egosi omenala na nkwenye ndị
e ji ya enweta ọganihu
ọ na-eweta udo
ọ na-eweta enyemaka

ọ na-akwalite nkanụzu
e ji ya agbalahụ ọdachi
ọ na-akwalite akụnụba.

**2.2 Ọnọdụ asụsụ Igbo n'ezinụlọ anyị**

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ahụ e ji mara ndị Igbo. Ọ bụ ya bụ asụsụ mbụ onye Igbo ọbụla nwere, ma bụrụkwa asụsụ e jị azụlite mmadụ n'ala Igbo. Mgbe ọbụla a kpọrọ ndị Igbo, ihe ọzọ ga-esote ya abụrụ asụsụ Igbo makana ndị Igbo bụ asụsụ Igbo, asụsu Igbo abụrụ ndị Igbo. Mana ka ọ dị taa, ọtụtụ ndị Igbo, ọkacha ndị nne na nna ọgbaraọhụrụ, anaghị ekwe asụrụ ụmụ ha Igbo nke ha ji ekwe onye ọzọ ịsụrụ ha Igbo. Otu aka ahụkwa, ị gaa n'ụlọ ha jụọ ụmụ ha aha ha, nne ha ga-ebu ụzọ gwa gị na ha anaghị anụ Igbo. Ihe ọzọ Ị ga-anụ bụ "greet uncle/anti and tell him/her your name". Ọtụtụ ndị nne na nna na-aga n'ụlọakwụkwọ ụmụ ha ma dọọ onye nkuzi Igbo aka na ntị ka ọ hapụ ikụziri ụmụ ha Igbo. Ha na-echefu na asụsụ bụ ụkwụ omenala ji aga ije nke pụtara na ịkụziri nwatakịrị asụsụ Igbo bụ ịkụziri ya ihe niile gbasara usoro obibi ndụ na ihe niile gbara ya gburugburu. Ndị nne na-achọ ụlọakwụkwọ na-anaghị asụ na anaghịkwa akuzi Igbo, tinye ụmụ ha. Ụdịrị agwa a ga-akpọla azụ atụmatụ gọọmenti etiti gbasara iji asụsụ nne/ogbe akuzi ihe n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị ma tọgbuokwa asụsụ na omenala Igbo.

**3.0 Ajụjụ nchọcha**

Ajụjụ ndịa ka anyị gbadoro ụkwụ were mee nchọcha anyị:

- Gọọmenti ọ na-ezite ndị ọrụ ya ịbịa nyochaa ogo ntinye n'ọrụ iji asụsụ nne maọbụ nke ogbe akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị?
- A na-eji naanị Igbo akụziri ndị ọtaakara na ndị praịmarị nta ihe?
- A na-akụzi Igbo dị ka sọbjekti n'ogo praịmarị?
- A na-eji Igbo akụzi sọbjekti ndị ọzọ n'ogo ọtaakara na pramarị nta?

**3.1 Nleghara anya iji asụsụ Igbo akụzi ihe n'ụlọ akwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị nta: nchọpụta anyị.**

N'ịchọpụta ogo nleghara anya iji asụsụ Igbo akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị nta, anyi gara n'ụlọakwụkwọ praimarị di itoolu ndị nọ n'okpuru ọchịchị Umuahịa North dị na steeti Abịa. Atọ n'ime ha bụ nke ndị gọọmenti nwe ebe isii n'ime ha bụ nke ndị nkịtị nwe. Ha gunyere.

**Ndị gọọmenti nwe**

Amuzukwu primary school I
Amuzukwu primary school II
Ọkwụta primary school

**Ndị ndị nkịtị nwe**

Britarch Schools
Living Word Magnet Schools
Kingdom Heritage Model Schools
Mayfair Academy
We Care International Primary Schools
Chidịadị Primary School

## 3.2 Ajụjụ anyị gbara n'ụlọakwọkwọ

**Ulọakwụkwọ ndị gọọmenti nwe**

| | Ee | Mba | Mgbe ụfọdụ |
|---|---|---|---|
| Gọọmenti ọ na-ezita ndị ọry ya ịma maka ntinye ọrụ ịji asụsụ nne/ogbe akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị. | | ✓ | |
| O bụ asụsụ Igbo ka e ji akụziri ndị ọtaakara na ndị praịmarị nta ihe. | ✓ | | |
| A na-akuzi Igbo dị ka sọbjekti n'ụlọakwụkwọ unu | ✓ | | |
| A na-eji Igbo akụzi sọbjekti ndị ọzọ n'ogo ọtaakara na praịmarị nta n'ụlọakwụkwọ unu | | ✓ | |

**Ulọakwụkwọ ndị nkịtị nwe**

| | Ee | Mba | Mgbe ụfọdụ |
|---|---|---|---|
| Gọọmenti ọ na-ezita ndị ọry ya ịma maka ntinye ọrụ ịji asụsụ ụụụnne/ogbe akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị. | | ✓ | |
| O bụ asụsụ Igbo ka e ji akụziri ndị ọtaakara na ndị praịmarị nta ihe. | | ✓ | |
| A na-akuzi Igbo dị ka sọbjekti n'ụlọakwụkwọ unu | | | ✓ |
| A na-eji Igbo akụzi sọbjekti ndị ọzọ n'ogo ọtaakara na praịmarị nta n'ụlọakwụkwọ unu | | ✓ | |

## 3.3 Ntule ajụjụ ọnụ anyị gbara

Anyị sonyetuchara ụlọakwụkwọ ndị a muọ ihe iji mata kpọkwem otu ha si akụzi ihe.
N'ịgba ndị nkuzi ajụjụ ọnụ ma ndị gọọmenti ọ na-ezite ndị na-abịa eleba anya gbasara iji asụsụ nne/ogbe akụzi ihe n'ogo ọtaakara na praịmarị nta, ha sịrị na onwebeghi onye ha hụrụ bịara udịrị ije ahụ. Ụloakwụkwọ ndị gọọmenti nwe na-akụzi Igbo dị ka sọbjekti site n'ọtaakara ruo na praịmarị nke isii. N'ikuzi sọbjekti ndị ọzọ, ha na-eji bekee ma were Igbo akọwa ufodu ihe ha na-akuzi. Edeghi ihe ọmụmụ ndị ọzọ a n'Igbo maọbụ tụgharịa ha n'Igbo  Nkuzi ihe ọmụmụ ndịa na nkọọwa ha n'Igbo dịịrị ha mfe n'ihi na ọtụtụ ụmụ aka nọ na klasị ndị ahụ bụcha ndị nne na nna ha ji asụsụ Igbo zulite. Nke a mere ka nkuzi na nghọta dịịrị ma nwata akwụkwọ ma onye nkuzi mfe. N'ịchịkọta nchọpụta anyị n'ụlọakwụkwọ ndị nkịtị nwe, ịkụzi Igbo dị ka sọbjekti na-eme ndapụta. Taam ọbụla ha nwetara onye nkuzi Igbo, umuaka amụọ Igbo taam ahụ, ya bụ n'ogo praịmarị, ma na nkuzi Igbo anaghị eruru ndị nke ọtaakara. Ọzọkwa, ọtụtụ ụmụaka nọ n'ụlọakwụkwọ ndị nkịtị nwe bụ ndị nne na nna ha jiri bekee muọrọ okwu.

Naanị Chidiadi primary school bụ ndị si na ha na-akụzi Igbo ma n'ogo ọtaakara ma n'ogo praịmarị kemgbe ụlọakwụkwọ ha bidoro mana ha etinyeghi n'ọrụ atụmatụ gọọmenti gbasara iji asụsụ nne/agbe akụzi ihe n'ogo ọtaakara na nke praịmarị. Ụlọakwụkwọ ndị a kwuputakwara na onwebeghi ndị sị na ministri keedukeshion bịarala jụọ ha maọbụ chọputa gbasara itinye n'ọrụ atụmatụ gọọmenti gbasara iji asụsụ nne/ogbe akụzi ihe n'ogo ọtaakara ya na nke praịmarị nta.

## 3.4 Nchọpụta anyị

N'ịchịkọta nchọpụta anyị niile ọnụ, gọọmenti ejighi iwu ha mara maka iji asụsụ nne/ogbe akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị nta kpọrọ ihe, ebe ọ na-enweghi otu ha si achọpụta ma e tinyere iwu a n'ọrụ ka ọ bụ etinyeghi ya.

Enweghi ndị nkuzi Igbo a zụrụ nke ọma n'ihe ọmụmụ ndị ọzọ so akpọnyere atụmatụ a ụkwụ. Ejighi asụsụ Igbo kpọrọ ihe n'etiti nne na nna ufodụ nakwa n'ụlọakwụkwọ ndị nkịti nwe bụ aka mgbe cheere atụmaatu a n'ihu. Ọtụtụ nne na nna enyeghi ụmụ ha ọzụzụ ha kwesiri inye ha n'Igbo n'ụlọ tupu ha ebido akwụkwọ.

**4.0 Ọghọm dị n'ejighi asụsụ nne/ogbe akuzi ihe n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị nta.**

Nwadike (2002) sịrị na okwesiri na onye ọbụla bụ onye Igbo ga na-aghọta ma na-asụkwa asụsụ Igbo nke ọma. Ndị ọbụla nwere asụsụ ha bụkwa nke ha na-agba mbọ na-echekwa ka ọ ghara ịnwụ n'ihi na ndị ọbụla asụsụ ha nwụrụ, anwụọkwala n'onwe ha. Ebe ọ bụ n'asụsụ na omenala na-agakọrịta, akụzighiri nwata asụsụ na omenala Igbo n'ụlọ nakwa n'ụlọakwụkwọ ga-ebute ọnwụ asụsụ na omenala Igbo n'ihina onweghizi onye anyị ga-enyefe asụsụ na omenala Igbo n'aka. Kuziere nwata ihe mgbe ọ di na nwata o too ọgaghị echefu ya.

Nwata ga-abụ ọbịa n'ala nna ya n'ihi amaghị asụsụ na omenala ya (enyeghi ya ozụzụ kwesiri inye ya n'ezinụlọ a mụrụ ya tupu ya ebido gawa ụlọakwụkwọ). N'ihi enweghi ntọala n'asụsụ na omenala Igbo, nkwalite nkanụzụ ga na-agba ọnyụpaa. Akuzighiri nwata asụsụ na omenala na-ebute enweghi nsọpụrụ, amaghi aka nrị na aka ekpe, ime arụ na mpụ, ọgụ na mgba, ejighi ihe kpọrọ ihe na ịhapụ omenala mewe omenaelu. Nwata a na-azụghị nke ọma n'asụsụ na omenala ya na-abụkarị ofeke. Azụsighi nwata ike n'ịmata aha ihe ndị nọ n'ogbe ya maọbụ gburugburu ya na-eme ka nkuzi na nghọta siwakwuo ike n'ụlọ akwụkwọ.

Ọtụtụ mgbe nwata na-amụtachebeghi ikwu okwu etinye ya n'ụlọakwụkwọ e ji bekee akuziri ya ihe nke ga-eme ka asụsụ ya, omenala, ewumewu na ihe niile gbara ya gburugburu bụrụ ya ọbịa.

**4.1 Uru dị n'iji asụsụ nne/ogbe akụzi ihe n'ogo ọtaakara na nke praịmarị nta**

a. Nwatakịrị na-aka aghọta ihe ma e were asụsụ nne/ogbe kuziere ya ihe. Lee Ife Six Year Primary Project (ISYPP).
b. ọ na-akwalite asụsụ na omenala
ch. Nwata anaghị eme ihere ịjụ ajụjụ na klasị
d. ọ na-akwakite nkanụzụ (lee China, Japan, Germany dgz).
e. ọ na-eme ka nwata nweta ebe ọ dị ọkpọtọrọkpọ nka ọgụgụ na odide, nwepu, mgbakọ na mmụba.
f. ọ na-eme ka nwata nwee ọgụgụ isi ichemi echiche ime.
g. ọ na-eme ka nwata mata na nke m bụ nke m, nke anyị bụ nke anyị, mana igwe bụ ike.
gb. ọ na-eme ka nwata mata na agwa nwe ndị a na-akpa akpa na ndị a na-asọ asọ.
gh. ọ na-eme ka nwata mata n'ụwa na agbanwe agbanwe ma na-atụgharịkwa atụgharị.
gw. ọ na-eme ka nwata mata nka dịgasị icheiche na aka ọrụ ga-enyere ya aka bie ndụ ya.
h. ọ na-eme ka nwata mụta ma nweta ọmụmụ ndị ga-enyere ya aka gakwuo n'ihu n'agụmakwụkwọ.

**4.2 Nsogbu dị n'iji Igbo kuzie ihe n'ogo ọtaakara na nke praịmarị nta.**

- Nghọtahie ndị mmadu ọkacha ndị nne na nna maka ọnọdụ asụsụ Igbo na ejighi ya kpọrọ ihe
- Nkwenye ọtụtụ nne na nna na ịsụrụ ụmụ ha bekee ga-aka eme ka ha mụta ihe n'ụlọakwụkwọ
- Enweghi akwụkwọ Igbo a ga-eji akuzi ihe
- Enwechaghị taimtabulu dabara adaba n'ụlọakwụkwọ.
- Kọrikulum Igbo adabaghị adaba n'iji akụzi ihe n'ụlọkwụkwọ.
- Inyochagharị aka nka nkuzi

- ụkọ ndị nkuzi Igbo
- NINLAN ime ihe ha kwesiri ime

## 5. Ntụpụta aro

- Ndị nne na nna, na-asụrụnụ ụmụ unu asụsụ Igbo. Selatanụ aka n'asụsụ na omenala ndị ọzọ.
- Gọọmenti ịhụ na ụlọakwụkwọ ha na nke ndị nkịtị nwe na-agbasọ atụmatụ iji asụsụ nne/ogbe akuzi ihe n'ụlọakwụkwọ site n'ịdị na-eziga ndị ọrụ ya n'ụlọakwụkwọ ndị a site n'oge ruo n'oge.
- ọ bụghị naanị iziga ndị mmadụ, ezigbo ntaramahụhụ ga-adịrị ndị na-enupu isi n'atụmatụ a.
- Ndị odee ijisi ike depụta ma bipụta akwụkwọ ndị a ga-eji akụzi amụmamụ niile n'Igbo
- Gọọmenti ịkwado ịtughari sọbjketi ndị ọzọ n'Igbo.
- Ịhazi kọrikulum ga-adaba adaba n'iji asụsụ nne/ogbe akuzi ihe.
- Ndị Igbo ịhapụ ileda asụsụ na omenala ha anya.
- Ịmachiri ụlọakwụkwọ ndị nkịtị nwe ịdị na-ata nwata akwụkwọ sụrụ Igbo ahụhụ
- NINLAN ịrụ ọrụ dịịrị ya site n'ikwalite na ime nchọcha n'asụsụ na omenala ala anyi.
- Ịzupụta ndị nkuzi Igbo maara akuzi n'ogo ọtaakara na praịmarị nta.
- Nzụgharị ndị nkuzi Igbo enwebu.
- Ịhaziri ndị nkuzi Igbo ọgbakọ site n'oge ruo n'oge.
- Inye ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ mere nke ọma ihe nrita

## 6. Nchịkọta na mmechi

Onye kpọ nkata ya nkịrịka, agbataobi ewere ya kpoo ihe. Nleghara asụsụ Igbo anya n'ihe niile bụ ndị Igbo ịghọ nte ji ụkwụ gbafuo onwe ya afọ. O bu oke na ọr*ụ* dịịrị nwaafọ Igbo ọbụla ikwalite asụsụ na omenala Igbo, ka echi anyị ka taa anyị mma. Gọọmenti tụrụ ezigbo atụmatụ n'inye iwu ka e were asụsụ nne/ogbe akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị mana iwu ha enweghi isi ebe onweghi ụkpụrụ ha tụrụ a ga-eji tinye iwu ahụ n'ọrụ. Nkea butere oke nleghara anya n'ebe iwu ahụ nọ ọkacha n'ebe ụlọakwụkwọ ndị nkịtị nwe nọ. Nne na nna bụ ndị nkụzi mbụ ụmụaka nwere, ebe ezinụlọ bụ ụlọakwụkwọ mbụ ha. O bụ ihe ịgba anya mmiri na ọtụtụ ndị nne na nna anaghị ekwe asụrụ ụmụ ha Igbo nke ha ji ekwe onye ọzọ ịsụrụ ha, biazie tinyere gọọmenti elezighi ndị nkuzi na ụlọakwụkwọ ha anya nke mere ọtụtụ nne na nna ji etinye ụmụ ha n'ụlọakwụkwọ ndị nkịtị nwe ndị na anaghị asụ nke ha ji akụzi asụsụ Igbo, ebe ọ bụ na onweghi onye na-ajụ ha ase ihe ha na-eme, ihe ha na-akụzi maọbụ otu ha si akụzi ya. Ndị nne na nna na gọọmenti ileghara asụsụ na omenala Igbo (ọkacha site n'ụlọ ruo n'oge praịmarị) anya ga-ebute ịtọgbu asụsụ na omenala Igbo, arụ, mpụ, enweghi ọganihu, enweghi nnwa nwa tote otekwuru n'ihi enyefeghi asụsụ na omenala Igbo n'aka ụmụ na ụmụụmụ anyị ha. Ụmụaka a nọ n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị taa bụkwanụ ha bụ olile anya anyị echi. Ka anyị niile (nne na nna, ndị nkuzi, gọọmenti na ọhaneze) chetakwa n'ọdịniihu, na ụmụ na ụmụụmụ anyị ha ga-ajụ anyị ase ihe mere asụsụ na omenala ha.

**Edensibịa**

Anagbogu,P. N., Mbah, M. B., & Eme, C. A. (2001). *Introduction to Linguistics*. Awka: J.F.C.

Federal Republic of Nigeria. (2013). *National Policy on Education*. (Rev.). Lagos: NERDC Press.

Makinde, S. O.(2006). Dynamics of Language: The Yoruba Example. A paper presented at the 20th Conference of the Linguistics Association of Nigeria, NERDC, Sheda, Abuja. Nov., 13-17.

Nwadike, I. U. (2002). *Igbo Language in Education*. Obosi: Pacific.

Obidiebube, J. I. (2002). Ụmụnwaanyị na ọrụ iwulite asụsụ na omenala Igbo. In *Journal of Igbo Studies. V*ol.2 p.112-117. ISA.

Ofomata, C. E. (2005). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo.* Enugwu: Format Publishers (Nig.) Ltd.

Ohaike, N. B. & Ikonne, U. H. (2004). "Say Hello to Uncle Syndrome in Nigeria: A killer to Igbo Language and Culture". Goke, A. (Ed.) *Nigerian Languages and the Democratic Experience*. Aba: ANLAT.